ECHICHE NDỊ IGBO BANYERE IME MKPUKE NA BEBI MAMA NA NDỤ ỤMỤ AGBỌGHỌ: NZIPỤTA HA N'AGỤMAGỤ *OBIECHINA* NA *ONYE KPAA NKỤ AHỤHỤ*

Chioma C. Anagor

Ụmịedemede
Ime ọkwa abụghị okwu ọhụụ na ntị ndị mmadụ n'oge a ka ọ dị n'oge gboo n'ihi na ọtụtụ ụmụ agbọghọ jizi ya mere akaọrụ na ụzọ ha si akapụ ụmụ nwoke ejideghị onwe ha ego n'aka. N'oge gboo, nwa agbọghọ ịtụta ime n'ụlọ nna ya bụ ajọ agwa ma bụrụ otu ihe na-ewetara ezinaụlọ ọbụla ajọ aha ma na-ebutere ụmụaka nwaanyị ndị ọzọ nọ n'ezinaụlọ ahụ mkpọchuihu mana n'oge a, mmepe obodo na njepụ agbanweela ọtụtụ ihe na nkwenye, omenala na obibindụ ndị Igbo. Ọ dịghịkwa mgbarụihu ọhanaeze na-ezipụta naanị ihe e mere bụ na a gbanwere aha ya si na ikwu na nwa agbọghọ tụtara ime ọkwa baa ya "bebi mama". Mgbanwe aha a mere ya ka ọ dị ka akaọrụ. Ihe ndị a kpaliri mmụọ nchọcha a ileba anya n'agụmagụ *Obiechina* na *Onye Kpaa Nkụ Ahụhụ* iji zipụta ka ndị Igbo si egosipụta mgbaru ihu mgbe nwa agbọghọ tụtara ime be nne na nna ya ma zipụtakwa echiche ndị Igbo banyere ezinaụlọ nwata ahụ si na ya. Ederede a gbasoro usoro nkọwa ma were atụtụ saikoanalisis nke Sigmund Freud tụpụtara (1856-1939) iji mee ka isiokwu a doo anya. A chọpụtara na e nwekwara ụmụ agbọghọ na-akpacha anya tụrụ ime iji kechie nwoke ka ọ lụwa ha ma nwee ndị ọlụlụ abụghị nsogbu ha. Naanị ihe ha chọrọ bụ iji afọ ime napụtawa nwoke ego ha ji ebi ndụ ma na-elekọta ezinaụlọ ha anya nke mere na n'oge a, ha na-achọ nwoke kpatara ego maọbụ onye nwere ezi aha n'obodo ha ga-adịrị ime ma onye ahụ ọ lụọla nwaanyị ma ọ lụbeghị abụghị ihe gbasara ha. Naanị ka ha si n'ụzọ ahụ gbanarị ụbịam na ogbenye na ndụ ha. A hụkwara na ọ bụ ndị selebriti malitere akparamaagwa ọjọọ a wee kesaa ya n'akụkụ niile.
Ọkpụrụkpụ Okwu: Ime Mkpuke, Bebi Mama

Ndubanye

Ndị Igbo bụ agbụrụ nwere omenala, nkwenye na usoro obibindụ nke dị iche na nke agbụrụ ndị ọzọ n'ihi na ha nwere ọtụtụ ihe ha na-agbarụrụ ihu maka na ha bụ nsọala ha. N'oge gboo, ndị Igbo ejighị ntị anụ na nwa agbọghọ tụtara ime mkpuke / ọkwa n'ihi na ọ bụ ajọ akparamaagwa. Nwa agbọghọ ọbụla tụtara ime ọkwa maara na o buterela onwe ya na ndị ezinaụlọ ya ihe mmechu ihu n'ihi na ọhanaeze ga-ahụta ya ka onye enyeghi ezi ọzụzụ na nwata lagoro n'iyi. Ọtụtụ ndị ga-eji akparamaagwa a na-atụnyere ụmụnne ya ndị nwaanyị tụmadị ndị nke alụbeghị di n'ihi na ha ga-asị na ezinaụlọ ahụ anaghị enye ụmụ ha ndị nwaanyị ezi ọzụzụ nke mere na ha na-anọ n'ụlọ adị ime. Nwaanyị ọbụla dewere onwe ya ruo na ọ baa be di, di ya na-akwanyere ya nnukwu ugwu ma na-asọpụrụ afọ mụrụ ya n'ihi na o gosiri na nne na nna ya zụrụ ya nke ọma. Ụmụ agbọghọ anaghị eme enyi nwoke ya na ịga binyere nwoke alụghị ya alụ mana n'oge a, ime enyi abụghịzị okwu ọhụụ makana ụmụaka na-emekwuzi enyi nwoke. Ọtụtụ nne na nna

anaghị elenyere ụmụ ha anya etu ha si ebi ndụ n'oge a n'ihi na ha weere ya na ụmụ ha so n'ihe a na-eme. E nwere ndị na-apụsịa apụ lọta, welatara nne ha ihe enyi ha nwoke zụnyere ha, nne ha ga-anara ha ma kelee nwoke ahụ n'agbanyeghị na ọ maara na nwa ya etorubeghi ihe e ji nwaanyị eme.

N'oge ugbua, e nwere ụmụ agbọghọ ndị na-ebinyere ụmụ nwoke n'ụlọ nke mere na ọtụtụ ndị mmadụ ga-eche na ha bụ di na nwunye na-amaghị na nke nwoke ahụbeghị ndị be nke nwaanyị anya fọdụ ịlụ ya alụ. Dị ka ha abụọ bikọrọ ọnụ, ha ga na-eme ihe niile di na nwunye na-eme tinyere nke nwaanyị ịdị ime ma mụọ nwa. E nwere ndị nọ n'ọnọdụ a mana nne na nna ha amaghị. E nwere ndị tụtara ime ka ha wee were afọ ime ahụ jide nwoke ahụ ka ọ lụwa ha mana ha chezọrọ na ọ bụrụ na nwoke achọghị ịlụ nwaanyị, ihe sọkwara nwaanyị ahụ mee, nke nwoke ahụ agaghị alụ ya. Mgbe nwoke ahụ hapụrụ ya, o buru afọ ime gaghariwa maọbụ bulatara ya nne na nna ya. Ọ bụrụ onye nne na nna ya amụtaghị nwoke o wee mụọ nwoke, ọ bụrụ uru ha. Nke ọzọ bụ ndị kpacha anya atụta ime tụmadị ndị na-achọ ụmụ nwoke kpatara ego ma ha alụrụ nwaanyị ma ha alụbeghị abụghị ihe ha chọrọ ịma. Naanị ihe ha maara bụ na ha dị ime nke ga-eme na nwoke ahụ ga na-elekọta ha na nwa ha anya.

E nwekwara ụmụ nwoke ndị bụ ha kpatara ime ọkwa na ndụ ụmụ nwaanyị n'oge a n'ihi na ọ bụ ha kwere ụmụ nwaanyị a nkwa na ha ga-alụ ha mana oge ha tụtara ime, ha agọnarị ụmụ nwaanyị ndị a. E nwekwara ụmụ nwaanyị ndị hụtara ịdị ime ka akaọrụ n'oge a tụmadị ndị nke na-adịirị ụmụ nwoke nwere ego ime. Ha na-eji ime ahụ na nwa ha mụrụ ka ụzọ ha si anapụta ụmụ nwoke ndị a ego ma bụrụkwa ụzọ ha si abụ ndị a ma ama n'obodo tụmadị ọ bụrụ na onye ọ mụụrụ nwa ahụ bụ onye a ma ama maọbụ onye si n'ezinaụlọ nwere nnukwu aha pụta. A na-ahụ ndụ a n'etiti ọtụtụ ndị selebriti bụ ndị ọtụtụ ndị mmadụ na-elegara anya ịdị ka ha. Ọ bụ n'aka ha ka iji ime ọkwa baa ọgaranya si gazuo ebe niile wee dịzịa ka ọ bụghị ajọ ihe nwa agbọghọ ịtụta ime ma mụọ nwa n'ụlọ nna ya.

N'oge gboo, a na-ekwu na nwa agbọghọ tụtara ime ọkwa maọbụ ime mkpuke mana n'oge a, a bagharịrị ya aha kpọọ ya "bebi mama" nke mere ya ka ọ dị ụtọ ọkpụkpọ na ntị mana o meghi ya ka ọ bụrụzịa na ihe nwa agbọghọ a mere bụ ezigbo ihe. Ọ hịara ahụ ịhụ selebriti enweghị nwa maọbụ bebi mama ma ndị lụrụ nwaanyị ma ndị alụbeghị nwaanyị. Mayor (2018) kọwara echiche nwaafọ Igbo onye otiegwu Ebirim nke a na-akpọ (Exbrown) gbasara nwaada Linda onye a ma ama n'ọwa ntaneetị maka akaọrụ ya na okwu ọ na-ekwu, tụtara ime mkpuke wee mụọ nwa nwoke. Kama ọtụtụ ndị mmadụ ga-akatọ agwa ahụ, ha gaa n'ihu na-eto ya. Ihe ahụ bụ iwe nwa okorobịa o ji pụta n'ọwa ịntaneetị si ka o kwuo uche ya gbasara agwa ahụ dị ka onye Igbo ọ bụ.

Exbrown kọwara na omenala ndị Igbo megidere ime mkpuke n'agbanyeghị onye tụtara ya; onye selebriti, onye nna ya nwere ego maọbụ nwa onye ogbenye. Ọ gara n'ihu kwuo na ndị mmadụ anaghị akatọ ajọ omume tụmadị mgbe onye nwere ego kpara ya mana ọ bụrụ nwa ogbenye kpara agwa ahụ, ndị mmadụ achọọ ka e rie anụ ya. O kwuru na ọ bụ ya mere ọ ga-eji katọọ agwa otu nwaada Igbo a na-akpọ Linda Ikeji kpara maka na o meghi ya, ọtụtụ ndị na-eto eto ga-echezi na ọ bụ ezigbo ihe.

Chepkoech na Ogetta (2021) chịkọbara echiche mmadụ abụọ gbasara "bebi mama". Onye nke mbụ bụ Adeli onyenkuzi nọ na ngalaba Saikọlọji dị na mahadum Moi kọwara na ihe butere bebi mama bụ mgbanwe batarala n'omenala na obibi ndụ ndị nke sitere na mmepe obodo. Ọ kọwara na omenala ndị mba Afrịka anabataghị ndụ bebi mama maka na ha na-alụ ọtụtụ nwaanyị nke omenala ha nabatara ya mere, o nweghi ka nwoke ga-esi nwee ohere ịlụta nwaanyị ole sọrọ ya ma gaa n'ihu inwe bebi mama. O kwukwara na mgbe gboo, ịtụ ime mkpuke abụghị ihe mmadụ na-akpacha anya eme maka na onye ọbụla maara na ọ bụ ihe mmechu ihu mana n'oge ugbua, oke ịgba n'ezi n'ebe ụmụnwoke nọ na ndụ "achọrọ m ịma" nke ụmụnwaanyị emeela na ime mkpuke abụghịzị ihe ọjọọ nye ọtụtụ ndị.

Onye nke ọzọ bụ Nze. O kwuru na n'uche ya, ọ na-ata ndị selebriti ụta bụ ndị ọtụtụ ndị ntorobịa na-elegara anya bụzị ndị makụrụ omume inwe bebi mama wee kesaa ndụ ahụ ebe niile. Ya mere n'oge a, ọtụtụ ndị ntorobịa anabatala ndụ "bebi mama maọbụ bebi dadị". Iji kwado ihe o kwuru na ọ bụ ndị selebriti webatara ụdị omume a, e gosiri ụfọdụ ndị selebriti nwere bebi mama na Naijiria. Ha gụnyere;

- Davido: nwere bebi mama ise; Sophia Momodu, Amanda, Chioma Rowland onye nke o mechara lụọ ka o mụtaara ya otu nwa nwoke a kpọrọ Ifeanyị, Larissa Yasmin na Ayotomide Labinjo
- Wizkid: nwere atọ; Shola Ogudu, Binta Diallo, Jada Pollock
- Tuface: nwere atọ; Sumbo Ajaba na-azazị Sumbo Adeoye ka ọ lụchara di, Pero Adeniyi, Annie Idibịa onye nke o mechara lụọ ka ọtụtụ afọ gara o ji mụtara ya nwa nwaanyị.
- Timaya: nwere atọ; Barbara Nwaokolo, Tama na Dunnie Onasanya
- Flavour nwere abụọ; Anna Banner na Sandra Okagbue
- Oritsefemi nwere abụọ; Nabila Fash na Aisha Adebukunmi
- Tekno nwere otu; Lola Rae
- Zlatan nwere otu; Davita Lamai
- IK Ogbonna nwere otu; Sonia Columbus
- Olamide nwere Maria Okanrende dgz.

Nchọcha a ga-eleba anya n'akwụkwọ agụmagụ *Obiefuna* nke Ogbalu, F. C dere na *Onye Kpaa Nkụ Ahụhụ* nke Nwadike, I. U dere iji gosipụta;

- Ime ọkwa na etu ezinaụlọ dị iche iche si hụta ya
- Echiche ndị Igbo gbasara ime ọkwa
- Ihe dị iche iche nwa agbọghọ tụtara ime ọkwa na-agabiga n'oge gboo

Atụtụ

Atụtụ e ji tụchaa agụmagụ ndị a bụ atụtụ saikoanalisis nke Sigmund Freud tụpụtara n'agbata afọ (1856- 1939). Ifejirika (2014) kọwara na nke a bụ atụtụ na-eleba anya n'ọnọdụ ime mmụọ mmadụ nke na-eme o ji akpa agwa etu o si akpa. Sigmund Freud bụ dọkịta na-ahụ maka ime mmụọ mmadụ nke mere o ji tụpụta atụtụ a ma were ya rụọ ọrụ na ndụ ndị ọ na-elekọta anya. O kewara atụtụ a ụzọ atọ;

Iidi: nke a bụ akụkụ ahụ mmadụ nke na-edunye mmadụ ịkpa agwa adịghị mma n'ihi na naanị ihe ọ chọrọ bụ ihe ga-atọ anụ ahụ ụtọ dị ka izu ohi, ịkwa iko, ndakpo nwaanyị, igbu mmadụ, ise ihe osise, ịtụ asị dgz. Akụkụ ahụ a anaghị echemi echiche ime tupu o mee ihe ọbụla

Igo: nke a bụ akụkụ ime mmụọ nke na-echemi echiche ime tupu o nwee mkpebi ọbụla maọbụ mee ihe ọbụla. Ọ na-eche ka mpụtara mkpebi ya ga-adị n'ọdịniihu ma na-agbanarị ajọ agwa nke si n'ajọ mkpebi

Supaigo: nke a bụ akụkụ ime mmụọ nke nọ n'etiti iidi na igo. Ọ na-ahụ na ọ dighị nke mefere ihe oke dị ka ịkpa ajọ agwa ga-eweta ngaramara maọbụ ịjụ oyi n'ihi na onye ahụ na-achọ ịmatacha ihe tupu o mee.

Nkọwa Ọkpụrụkpụ Okwu Ụfọdụ

Ime Ọkwa/ Mkpuke

Ime mkpuke/ọkwa bụ nwa agbọghọ alụbeghị di ịmụ nwa n'ụlọ nna ya makana oge gboo, nwa agbọghọ na-anọ be nna ya ruo oge di bịara lụrụ ya mana n'oge ugbua mmepe obodo ewetarala mgbanwe n'obibindụ ndị Igbo, nwa agbọghọ nweziri ike ibiiri onwe ya ebe ọ na-agụ akwụkwọ na mahadum maọbụ ebe ọ na-arụ ọrụ bekee. Mgbanwe a apụtaghị na nwa agbọghọ agbanweela aha nna ya. Ya mere e ji akọwa na ime mkpuke bụ nwa agbọghọ ịmụ nwa be nna ya makana ọ na-aza aha nna ya.

Bebi Mama

Lopesi (2018) kọwara na okwu a bụ "bebi mama" bụ okwu e ji atụnyere nwaanyị mụtaara nwoke nwa tụmadị nke nwoke ahụ alụghị alụ maọbụ nke ha abụọ na-eme enyi ọtụtụ afọ o wee mụọrọ ya nwa. Ọ kọwara na aha a na mbụ bụ aha mkpụtọ nye nwaanyị n'ihi na ọ na-ezipụta na ọ bụ nwaanyị na-eme enyi gbadoro ụkwụ n'akwamiko. E mechara, aha a gbanwee bụrụzịa aha e ji atụnyere nwa agbọghọ alụghị di wee mụta nwa. Ọ gakwara n'ihu kwuo na ọtụtụ ndị lingwistiks ekpebiela na ọ bụ n'okwu ndị Jamaika "bebi mada" nke pụtara "bebi mọda" ka e si wepụta okwu a bụ "bebi mama" ma were ya kwuo okwu n'afọ 1966 n'akwụkwọ nzisaozi "Kingston Newspaper, The Daily Gleaner".

Na nchịkọta, bebi mama bụ nwa agbọghọ ọbụla a lụghị alụ mana ọ mụụrụ nwoke nwa.

Nleba Anya N'agụmagụ Ndị a Họọrọ Iji Gosipụta Echiche Ndị Igbo Banyere Ime Ọkwa na Nsogbu Ya

Obiefuna

Akụkọ kọrọ ka Nwaada nwanne Obiefuna si tụta ime mkpuke be nna ya. Ọ bụ nne ya chọpụtara ya n'ihi na ọ na-eleru ụmụ ya anya nke ọma ma mara mgbe ihe gawara etu o kwesighi. Ogbalu (1988:101) kọwapụtara nke a;

> …Nne Nwaada lekatara Nwaada anya ụbọchị ole na ole, ihe ọ hụrụ gba ya gharịị ka arụ a nọ n'elu nkwụ nyụ gbara ijiji. Ihe ọ na-ahụ ọ bụ eziokwu ka ọ bụ na

> anya ya na-arafu ya. O bọhasịa anya ya ike o wee nwee ihe kochiri ya anya lebekwa Nwaada. Ọ bụrụ na ihu ya malitere na-egbu mara mara, na-ebu ibu teghasịa eteghaa. O manyekwara abụba n'ike bịa na-abụ asọ ka onye obi-echi. Ọ ga-abụ na Nwaada dị ahụ naabọ ka ọ bụ ọrịa ọzịza ji aghụghọ akpụdobe ya?

Nne ya gara n'ihu jụọ ya ihe na-eme n'ahụ ya mana egwu ekweghi Nwaada ekwu okwu n'ihi na ọ maara na nne ya ga-agwarịrị nna ya. Nke a zipụtara ịdị n'otu dị n'etiti nne na nna ya na etu ha abụọ si agbakọta aka ọnụ eme ihe dị n'ọzụzụ nwa. Udoye nne Nwaada gwara ya kwuo ka o wee mara ma ọ ga-agwa nna ya ka ọ ga-ezobe ya. O mechara gwa nne ya na ọ bụ ime ka ọ dị mana o kweghi ekwu aha onye tụwara ya ime ahụ.

Ka nne Nwaada gwara nna ya Obidigbo, o tiri n'oke olu n'ihi na ọ maara na ọ bụ ihe mmechu ihu batara n'ezinaụlọ ya. (i.a 107) zipụtara omume nwatakịrị tụtara ime ọkwa na-eme mgbe nna ya chọpụtara ihe o mere n'ihi na ọtụtụ nna na-ahụta ya ka mkpọchu ihu nye ezinaụlọ, ya mere na ha nwere ike iji iwe ọkụ gbuo nwa ahụ. N'agbanyeghi na Nwaada rịọrọ nne ya agwala nna ya mana nne ya gara n'ihu gwa di ya n'ihi na ha abụọ anaghị ezoro onwe ha ihe ọbụla maka na ha maara ahụhụ ha tara tutu ha malite mụwa nwa. Mkpu nna ya tiri mere Nwaada ji si n'ụlọ gbapụ maka na o chere na nna ya nwere ike ịbịabido ya ma merụọ ya ahụ ma ọ bụrụ na o gbughi ya egbu. Nne ya maara na nwa ya nwaanyị nwere ike ịkpa ajọ agwa mgbe ọ nụrụ olu mkpu nna ya, o wee were ọsọ gbagawa na mkpuke ka ọ mara ma ọ nọkwa n'ụlọ.

…O ruo mgbe ọ batara na mkpuke, ọ chọpụtara dị ka o chere na ọ mịbara n'akwụrịkọ dị n'owere; nke ọ tọrọ na-atụso ya n'azụ. Obi ridara ya ma mgbe o chetara na ha ebughi ọkụ, uche malitekwara chebe ya, agwọ eghu-ala na mburu atagbue ha ebe ahụ. O were ọwara mụrụ ọkụ gaa ịchọ ha. Mgbe nne ha bịaruru nso ọhịa bido kpọba, "Nwaada, Nwaada, Nwaada? Ọ za ya "ee, nne" ọ jụa, olee Nwaada? Ọ za ya, "ọ nọ ebe a" nne ya sị; o nweghi ọnụ? Pụtabanụ. Ha na-apụta na-ele anya aka nri na aka ekpe ịmata ma nna ha o soro nne ha bịa. Obi na-eti Nwaada kpim kpim kpim, ka onye a na-enuba n'ụlọ mkpọrọ. Nne ya sị; " o sukwanu. Mgbe m na-agwa unu, unu nụrụ? Ugbua egwu atụgbue gị". O duru ha baa n'ụlọ ha labaa.

A hụkwazịrị omenala ndị Igbo pụtara ihe na nkwenye ha dị ka o si metụta nwa agbọghọ tụtara ime ọkwa iji gosi na ha bụ agbụrụ na-agbarụ ihu nye ịtụta ime mkpuke maọbụ ọnọdụ bebi mama na ndụ ndị ntorobịa. (i.a 108) zipụtara nke a;

> …Omenala obodo bụ ịchụpụ onye tụụrụ ime mkpuke achụpụ n'ụlọ nna ya. Ọ na-agbaga be onye nwere obi izize n'ebe ọ nọ dị ka n'ikwu nne ya maọbụ na be nwanne ha nwaanyị bi be di maọbụ nwanne ha nwaanyị maọbụ nwa nne nna ha nwaanyị. A na-eme nke a n'ihi na o megidere iwu ịnọ na mkpuke mụ nwa. Ọ bụla na di na nwunye enweghi nwa nwoke maọbụ na ọ ghọrọ nwa ya nwaanyị agho were tụrụ ime mkpuke, ha anaghị arapụ maọbụ rachie ya ka ọ na-atụ na-amụ na-enweghi di. Ọ gaghị ịsa ishi tupu ọ mụa ya bụ nwa nke pụtara na ọ ghaghị ịkpọzu aha n'otu n'otu nwoke niile ha na ya mekọrọ. Ọ saghị mụa nwa ahụ, nwa ahụ abụrụ nwa arụ atụnye ya n'ajọ ọhịa chọọ nwa nri ọ kpụa arụ. Onye ime ghọrọ be nne ya na-enweghi di na-ata ntu site na mmeso ọjọọ nne na nna ya na ụmụnne ya ụfọdụ ga-emeso ya ebe ọbụla ọ nọ n'ihi na ha na-asị o hiri aka

> n'anya mee ka ọ ghọ ha ahịa. Otu ihe Obiefuna mere Nwaada ọ na-echefughi na ndụ ya bụ na ọ kweghi nna ya chụpụ ya.
>
> …Tupu ọ na-ekwe izu, nne Nwaada chọpụtara na ọ dị arụ naabọ, ọ fịọzuela ebe dum na ọ dị ime mkpuke. Onye nụ ya, o fufee isi sị; "tụfịakwa. Bụ kwa azị ugbua? Ha tee, ha rachasịa; ọ bụghị mụ na ha. Nke e chegoduru na ọ dịghị emepịa nnu, ọ na-atawa akwa ọkụkọ. "Ụmụ okorobịa nke nụ ya, ọ dapụ na nkirinkị ọchị mụa kohi kohi jiri ya na-akụ akụkụ sị; "ọ chajaala; Nwaada nwọ-jụ-di, ị ga-alụ di ngwa ugbua. ị lụtaghị mmụọ ibe isi, ị lụta eke ọgba". Ha na-etipụkwa mmụọ onuekuru-ya, ahụ na-ajụ Nwaada oyi enweghi atụ n'ihi na nnụnnụ akụ tụrụ n'ọnụ amaghị ebe. Ihe ọ na-eme bụ izo na mkpuke nne ya. Ọ dịghị apụta n'ama ma ya fọdụ ije mmiri, nkụ maọbụ ọhịa. O zoro n'ime ụlọ mkpuke nne ya dị ka a ga-asị na ọrịa na-efe efe ji ya.

Ebe a gosiri etu ndị Igbo si ahụta nwa agbọghọ nọ n'ụlọ nna ya mụọ nwa. Ọ bụghị naanị na ọtụtụ na-eji onye ahụ eme ihe amụ mana nne na nna ya na-aga n'ihu chọwara ya di ga-alụ ya ngwa ngwa ka o si n'ụlọ pụọ gaa ebe ahụ mụọ nwa ahụ ka o nwee nna ga-enye ya aha nna makana ọ nọrọ n'ụlọ mụọ ya, nwa ahụ agaghị enwe ugwu ebe ọbụla. Ọtụtụ ga na-akpọ ya "nwa amụtọrọ amụtọ" ebe ụfọdụ ga na-akpọ ya "nwa enwe nna". Ihe niile nwere ike itinye nwa agbọghọ ahụ inwe obi nkoropu maọbụ iwepụ ndụ ya ka o zuoro ụwa ike.

Onye Kpaa Nkụ Ahụhụ

Nwadike (1989) zipụtara akụkọ banyere Amaka bụ nwa agbọghọ na-eme enyi nwoke mana ka ọ tụtara ime ga gwa enyi ya nwoke Ikechukwu, Chijioke bụ enyi Ikechukwu gwara Ikechukwu gọnarị Amaka makana ọ bụrụ na o were maka ịhụnanya kweta na ọ bụ ya tụwara Amaka ime, ọ ga-egbochiri ya agamniihu ya n'ebe agụmakwụkwọ ya nọ. Ikechukwu mere ka enyi ya nwoke si gwa ya mana ka afọ gachara mgbe Ikechukwu lụrụ nwaanyị, afọ ime siiri ha ike nke ukwuu nke mere na nwunye ya malitere ịga na nke ndị amụma ebe a nọ gwa ya ihe kpatara amụghị nwa n'ezinaụlọ ya n'ihi na Amaka ji obi mgbawa wee bụọ Ikechukwu ọnụ na ọ gaghị amụta nwa n'ụwa ya ebe ọ bụ na ọọ gọnarịrị ya.

Akụkọ a gosiri na Amaka bụ isiagwa akpachaghị anya tụta ime fọdụzịa iji ya chọọ ka o jide Ikechukwu ka ọ lụọ ya mana ọ maara na ọ bụ ihe mmechu ihu nye ezinaụlọ ya na onwe ya n'ihi na ọnụ ndị mmadụ ga-akpọgbu ya. Mana, Ikechukwu n'onwe ya maara na ọ bụ ya nwe nwa mana ndụmọdụ Chijioke nyere ya mere ka ọ gbaghapụ Amaka. O wutere ya na ọ tụtara ime ma zoo onwe ya ezo mana ọtụtụ ndị n'oge ugbua ga-ebuputa afọ ha n'ọwa ịntaneet ma were ya na-ese foto mana kama ndị ezinaụlọ ya na ọhanaeze ga-akatọ omume ahụ, ha ana-etu ya aha n'ọwa ịntanetị ma na-agwa ya na afọ ime amaka ya n'ahụ. (i.a 1-3) gosipụtara omume Amaka oge ọ chọpụtara na ọ dị ime iji zipụta echiche ndị Igbo banyere ime ọkwa na nwatakịrị ka nwere ihere n'ihu ya.

Amaka: (n'ụlọ Amaka ha ebe naanị ya nọ n'olu akwa)

chi m egbuo m!, gịnịdị ka m ga-agwa chi m?
Gịnịdị ka m ga-agwa nne m? Ikechukwu arapụtala m ee. Atọkwa m, egbuo m! Amaka atụra ime? Agwara m Ik agwa sị ya na adịghị m sef oge ahụ, ọ sị m na e nweghi ihe ga-emenụ. Ngwanụ, ihe emeela. Gịnị ka ụwa ga-agwa m? gịnị ka ndị ụlọọrụ anyị ga-ekwu? Olee anya m ga-eji ahụ ụkọchukwu anyị? Ọ bụ m gawa agawa ka ọ bụ m lawa alawa? Che!
Ala anyị ekwela ngwere gbaa ajị. Aga m agakwuru IK ugbu a a na-enwebeghị ihe merenụụ ka a mara ihe a ga-eme. Aga m aga maka na a naghị ahapụ isi gwọwara ike ajụ. Ik ga-amatarịrị ihe o mere, onye gburu onye o gburu, ya buru o.

Ikechukwu: ị sị ime ka ị sị gịnị? kedụ ka o siri mee? Ya bụrụ egwụ kwụsịkwa ya.

Amaka: ị na-ajụ m ka o siri mee, abụ m Meri nne Jizọs na-adịrị ime n'akpaghị aka? ị kpara
nkwa aka, o were kwuonụ
Ikechukwu: nke ahụ abụghị okwu, ihe m na-achọ n'ụkọ elu ahụ m ya n'ụkọ ala, ezigbo
shọtụ metọdụ. Amaka, egwu atụla gị, mesa ahụ
Amaka: IK, ka Chukwu gọzie gị n'atụmatụ a ka onye ọbụla n'ime anyị ghara inwe
ọbaramgbalielu. Ka m bịa lawa.

Ka Ikechukwu gọnarịrị Amaka dị ka enyi ya Chijioke si gwa ya, Amaka laruru ma kọọrọ nne ya ije ya n'ihi na nne ya maara na Ikechukwu gwara nwa ya okwu ọlụlụ mana ọ bụghị ya ka ọ ga-eji tụba ya ime. Nne Amaka bụ Ụkachi kasiri nwa ya obi ma gwa ya na ọ kaara ya mma ịmụ nwa ahụ karịa ite ime maka na ọ bụ arụ iwufu ọbara n'obodo ha. (i.a 14) Ụkachi gosiri nkata dị n'etiti ya na nne ya

Amaka: gịnị ka m ga-eme? Kedụ ka m ga-esi ebu afọ ime enweghi onye nwe ya?
Ụkachi: ọ bụ maka ya ka ị ga-eji tinye aka n'ihe ọjọọ ala na-asọ nsọ? Ala anyị sọọ ya nsọ n'ihi na onye tere ime egbuọla ọchụ
Amaka: kedụ ka m ga-esi die ihe nke a?

O nwere okwu Ụkachi kwuru mgbe ọ na-agba nwa ya ume ka o jide onwe ya aka ma hapụ ihe ndị mmadụ ga-ekwu nke gosipụtara echiche ọtụtụ ndị banyere ime ọkwa n'oge a. (ihu 15) o kwuru sị;

> …mana nke ahụ egbula gị uche maka na e nweghị ihe bụ ahụrụ mbụ. Ọtụtụ ụmụ agbọghọ n'ala a, atụrụchaala ime, mụọ ụmụ ha n'emeghị ndọka efe dị na ya.

Okwu a gosiri na e nwere ụmụ agbọghọ ndị enweghi ihere na ha tụtara ime ma mụọ ya. O gosikwara na ọ bụghị ihe ọhụụ na ntị ọhanaeze na nwa agbọghọ na-atụta ime be nna ya ma mụọ ya naanị na e nwere ndị ọ bụụrụ ihe mmechu ihu ma nwee ndị enweghị ihe ha ji ya kpọrọ.

Ihe ndị a Chọpụtara

A chọpụtara na ndị Afrịka tụmadị agbụrụ ndị Igbo na-agbarụ ihu n'ihe gbasara nwa agbọghọ ịtụta ime mkpuke be nna ya. Ha hụrụ ya ka akparamaagwa nwa azụghị azụ na

nwa enweghi nkwanye ugwu n'onwe ya n'ihi na nwa agbọghọ kwesiri idobe onwe ya ọcha ruo na ọ lụọ di. Nke a ga-eme ka di ya na ndị be ha na-akwanyere ya ugwu ma na-enye ya nsọpụrụ ruuru ya n'ihi na ha ga na-ahụta ya ka onye kwesiri ntụkwasị obi. Mana n'oge ugbua, ọtụtụ ezinaụlọ na ndị mmadụ anaghị ahụzị ya ka ajọ ihe n'ihi mmepe obodo. A hụkwara na mmepe obodo wetara ngwakọrịta na obibi ndụ ndị Afrịka na ndị mba ọzọ, nke a mere ndị selebriti ji ṅomie ndụ bebi mama malite ị na-ebi ya na Naijirịa. Ọ bụ ndị selebriti malitere ndụ a tupu ọ gazuo ebe niile. Ọtụtụ ndị selebriti a nwere bebi mama abụọ ma karịa ebe ụmụ nwaanyị ha nwekwara bebi dadi.

Ndụ bebi mama agbanweela echiche ọtụtụ ndị banyere ime ọkwa n'ihi na ha na-ahụzị ya ka ụzọ obibi ndụ. E nwere ndị si na ya akpata ego n'ihi na ụmụ nwoke ndị ha mụụrụ nwa/ ụmụ ga na-eweta ego e ji elekọta nwa/ ụmụ ha anya ma nwekwaa ego ha na-enye nke nwaanyị mụtaara ha nwa.

Nchịkọta na Mmechi

Ọ dị oke mkpa na mmadụ ọbụla maara omenala, nkwenye na etu agbụrụ ya si ebi ndụ iji gbaziere onwe ya na ndị ezinaụlọ ya ụzọ obibindụ. Ọ dịkwa mkpa na ndị ntorobịa oge ugbua mara na n'agbanyeghị na mmepe obodo wetara ọtụtụ mgbanwe n'obibindụ ndị Igbo mana o meghị na ha enweghịzị ihe ha na-asọ oyi dị ka nwa agbọghọ ịtụta ime n'ụlọ nna ya maọbụ gaa n'ihu ịna-amụrụ nwa okorobịa emeghi ihe ọbụla n'isi ya nwa n'ụdị bebi mama wee na-anapụta ya ego.

Ụmụ okorobịa oge ugbua kwesiri ịmatakwa na nwa ọbụla nwaanyị omeghi ihe n'isi ya mụụrụ ya abụghị nke ya dị ka omenala si dị n'agbanyeghị ihe ọbụla ọ na-atụnye n'isi nwa agbọghọ ahụ na nwa ya. Ọzọ, o nwee ihe mere ka nwa agbọghọ ahụ nwụọ ebe ọ na-amụ nwa, ndị be ha jide nke nwoke, ọ ga-alụ nwa ha n'ozu dị ka ụfọdụ obodo n'ala Igbo si eme. Ihe ndị a niile mere na bebi mama abụghị obibindụ ndị Igbo ga-anabata makana o megidere omenala na nkwenye ha.

Aro

Nwanchọcha na-atụ aro ndị a iji nyere aka hụ na ndị mmadụ lebara anya banyere ndụ bebi mama na ime mkpuke n'oge a iji gbochie nsogbu ọ na-ebute n'obibindụ ndị Igbo.

- Ọ dị mkpa ka ndị selebriti na-eje ejije Igbo lebaa anya n'ụdị ndụ ha na-amụta na mba ofesi tụmadị ndị megidere omenala, nkwenye na obibindụ ndị Igbo nke ha na-ezipụta n'onyoonyo ma na ndụ ha dịka ndị ọtụtụ ndị ntorobịa na-elegara anya
- Ọhanaeze kwesiri ileba anya n'ụdị ọzụzụ ha na-enye ụmụ ha n'oge a nke megidere echiche ndị Igbo banyere ọzụzụ nwa

- Ọ dịkwa mkpa ka ndị Igbo jigidesịa omenala, nkwenye na obibindụ ha aka nke ukwuu ma kuziere ụmụ ha nsọ ha iji gbochie ngwakọrịta obibindụ ndị agbụrụ ọzọ maọbụ mba ọzọ.
- Ezinaụlọ ọbụla kwesiri inye ụmụ ha ndụmọdụ banyere ime mkpuke na ndụ bebi mama ma mee ka ha mata na ọ bụ arụ ma bụrụkwa ihe mmechu ihu nye ezinaụlọ ọbụla.
- Ụmụ agbọghọ kwesiri ijisi ike na-akwanyere onwe ha ugwu site n'ịhụ na ha atụtaghị ime mkpuke maọbụ ghọọ bebi mama nye nwoke alụghị ha alụ. Ha kwesikwara ịgba mbọ chọọ ọrụ aka iji na-akpata ego nke ha ka ha wee gbanarị ọnwụnwa iji ndụ bebi mama mere ụzọ e si anapụta nwoke ego.
- Ndị odee agụmagụ Igbo kwesiri ịna-ewebata echiche ndị Igbo banyere ime mkpuke ma gaa n'ihu ịna-akatọ ndụ bebi mama nke na-achọ imebi alụmalụ na ndụ ndị mba Afrịka tụmadị agbụrụ ndị Igbo

Anagor, Chioma C.
Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Nzikọrịtaozi
Mahadum Nnamdi Azikiwe, Ọka
cc.anagor@unizik.edu.ng

Edensibịa

Chepkoech, A. na Ogetta, D. (Ọktoba 24, 2021). "Baby Mama Culture a Threat to Marriage Institution". Weghachitere site na http://www.thecitizens.com na Mee 27, 2023

Ifejirika, E. (2014). *Introduction to Literary Theory, Criticism and Practice*. Ọka: Mabcom Systems

Lopesi, L. (Jenụwarị 30, 2018). "Baby Mama Drama: What You Need to Know About the Term "Baby Mama". Weghachitere site na http://www.thespinoff.co.nz na Mee 26, 2023

Mayor, D. (Mee 22, 2018). " Linda Ikeji, Ime Mkouke is Condemable in Igboland-Exbrown Reacts to Linda's Pregnancy". Weghachitere site na http:www.dezmayorz.org na Ọgọstụ 9, 2023

Nwadike, I. U. (1989). *Onye Kpaa Nkụ Ahụhụ.* Ọnịcha: Kawuriz & Manilas Publishers

Ogbalu, F.C. (1988). *Obiefuna*. Ọnịcha: University Publishing Company

Ogunlade, S. (Juun 29, 2020). "Four Stages of Being a Baby Mama". Weghachitere site na www.thenigerianvoice.com na Mee 26, 2023